# NGỌZI DỊ ICHEICHE NKE OZIỌMA AHỤ

**2 Ndi Kọrint 3:1-18; 4:1-16**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 395**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bu gini kwa ka i nwere nke i nānatagh? Ma ọ buru na i natara ya, gini mere i nānya isi, dika agāsi na i natagh ya?" (I Ndi Kọrint 4:7).**

**I Akwụkwọozi Dị Ndụ**

1 Inye onyeozi ahụ akwụkwọ nkọwa adịghị mkpà, 2 Ndi Kọrint 3:1-3; Ọlu Ndi-ozi 18:27

2 Chineke naenye amamihe na ike iji kwusaa Oziọma ahụ, 2 Ndi Kọrint 3:4-6; I Ndi Kọrint 3:10; 15:10

**II Ijéozi nke Imemmụọ**

1 Ijéozi nke Iwu ahụ dị ebube ma ijéozi nke Agba Ọhụụ dị ebube karịa, 2 Ndi Kọrint 3:7-11

2 Ikwuokwu n'ụzọ ọ gaedoanya bụ ụ̀kpụ̀rụ̀ nke Oziọma ahụ, 2 Ndi Kọrint 3:12-14; Ndi Galetia 4:16

3 Ewepụwo ihe mkpudo nke Agba Ochie site na Kraist, 2 Ndi Kọrint 3:15, 16

4 Ọ̀hụ nke imemmụọ nime Kraist naalụpụta mgbanwe, 2 Ndi Kọrint 3:17, 18; Ilu 4:18; Jemes 1:25

**III Ikwusa Kraist**

1 Eziokwu bụ okwu ichenché nke ezi ndịozi nke Kraist, 2 Ndi Kọrint 4:1, 2; Jọn 4:23; Ndi Efesọs 6:14

2 Ọ bụghị mmadụ niile ka azọpụtara ma mmadụ niile nwere otù ohere, 2 Ndi Kọrint 4:3, 4; Matiu 7:13, 14; Ọlu Ndi-ozi 10:34, 35

3 Jisọs Kraist bụ isiokwu nke mkwusa nke Oziọma ahụ, 2 Ndi Kọrint 4:5-7

4 Ikwusa Kraist naeweta mkpagbu ma ọ bụghị mbibi, 2 Ndi Kọrint 4:8-10

5 Ndịozi nke Kraist n'oge ochie dọgburu onweha n'ọlụ, n'ihi na ha amaghị mgbe agaegbu ha n'ihi okwukwe ha, 2 Ndi Kọrint 4:11, 12

6 Okwukwe nke mbiliten'ọnwụ nime Kraist naeweta mmeri mgbe niile, 2 Ndi Kọrint 4:13-16; 2:14

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Ọtụtụ nime ndịozi nke Agba Ọhụụ ka ezipụworo site n'inye ha akwụkwọ nkọwa iji gosi izuòkè ha nye ndị ahụ nke ezigaara ha. Dịka enwereike ịhụ́ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a, ụdị ihe a ghọrọ ihe dị mkpà nye mmadụ olenaole, ọbụná nime nzukọ ahụ nke dị na Kọrint. Ọ dị ka ha bààrà onyeozi ahụ mbá n'ihi na o jighị ụdị akwụkwọozi ndịa, ma ewepụtara eziokwu ahụ n'ụzọ maramma na ịnọgidesiike n'ihi ndụ nke OnyeKraist karịrị ihe niile ọ bụla. Ikwusa Kraist nke ezi onye ụkọchukwu gaeweta mgbanwe nime ndụ ọtụtụ mmadụ site na Kraist nke ahụ gaeme ka enwee ịgbaàmà na mkwuwaokwu nke pụrụ ịkpali obi karịa akwụkwọozi ọ bụla edereede. "Unu onwe-unu bu akwukwọ ozi ayi, nke edeworo nime obi ayi, nke madu nile matara nāgu kwa."

### Ndị ozi nke Ụbọchị Taa

Ndịozi nke oge ochie aghaghị inye ihemkwagide na ha sitere n'agbụrụ Eron maọbụ Livai tutu ha enweeike ijéozi n'ihe niile nke gbasara Ụlọikwuu ahụ. Ndịozi nke Chineke n'ụbọchị taa ka anaakpọ site n'etiti ndị èzínaụlọ nke Okpukpé nke ndị Kraist. Ọ dịghị mkpà mmadụ isite n'èzínaụlọ pụrụ iché maọbụ òtù, kama ihe dị mkpà bụ ka mmadụ ọ bụla zaa ọkpụkpọòkù nke Chineke ma nwee kwa Mmụọ nke Chineke n'ebe ọ dị ukwuu nime ndụ na nime obi ya. Chineke gaenyere onye dị otú a aka ka ọ gaa n'iru, náebu mkpụrụ dị ókéọnụ nke Okwu ahụ, Oziọma ahụ gaalụpụta kwa ihe dị ukwu ná ndụ nke ọtụtụ

mmadụ. Akwụkwọ nkọwa niile nke dị nime ụwa agaghị enyeaka ịzọpụta otù mkpụrụobi, ọ dịghị kwa mkpụrụobi apụrụ ịzọpụta ma ọ bụrụ na Chineke eziteghị inyeaka na amara.

Onyeozi ahụ matara eziokwu a nkeọma. "Ọ bugh na ayi ruru n'onwe-ayi igu ihe ọ bula dika o sitere n'onwe-ayi; kama iru eru ayi sitere na Chineke." Ngọzi niile nke dị n'Oziọma ahụ naeweta irueru a nye onye òtù ọ bụla nke Nzukọ Kraist. N'ịbụ akwụkwọozi dị ndụ, onye ọ bụla nke dị n'òtù a gaekwe ka Kraist were ya lụọọlụ maka nzọpụta nke mkpụrụobi nke ndịọzọ. Ikwesịntụkwasịobi n'ihe ntà naeweta ijéozi na ọlụ dị ukwu nye nwoke maọbụ nwanyị ahụ nke kwesịrịntụkwasịobi rue mgbe anaapụghị ịgụkọ ihe niile nke onye ahụ náalụrụ Kraist.

## Nke Ochie na nke Ọhụụ

Ọtụtụ nime ndị Israel apụghị ịnagide échìchè nke isi n'Iwu ahụ pụọ; otú ọ dị; Mmụọ Nsọ naewepụta n'iheọ̀mụ̀mụ̀ a ọtụtụ ihe mkwagide nke mere agba ochie ji nye agba ọhụụ ohere iwere ọnọdụ. Ọ bụ ezie na nke ochie ahụ dị ebube, otú ọ dị ọ bụ ijéozi nke ọnwụ. "Mee ma-ọbu nwuọ" wee bụrụ ihe ahụ enyere n'iwu; ma ewezugara inwe okwukwe na Chineke ọ bụ ihe siriike ibindụ dịka Iwu ahụ si chọọ. N'okpuru Oziọma ihe ahụ enyere n'iwu bụ "Lee di ndu." Ákànaenwe kwa okwukwe nime Chineke, ma egwù nke ọnwụ ka ewepụrụ n'ihi na ihe ọgbịgbá nke ọnwụ, nke bụ mmehie ka ewepụrụ site ná nzọpụta. Oziọma ahụ naakụnye olileanya ahụ dị ndụ nke mbiliten'ọnwụ nime obi. Ụmụmmadụ ndị nọ náagbụ nke egwù nke ọnwụ n'oge niile ha naadị ndụ, na mberede náahụ́ onweha dịka ndị emere ka ha nwere onweha. Gịnị gaeme ka onye azọpụtara náatụ́ egwù ọnwụ, ebe ọnwụ bụ ụgbọala nke ọ gaeji jerue Eluigwe.

## Iheodide nke Chineke

Ọ bụ mkpịsịaka nke Chineke dere Iwu ahụ n'elu mbadamba nkume ahụ. Onyenweanyị dere Oziọma ahụ ná mbadamba nke obi ahụ bụ́ anụarụ. Mmadụ aghaghị inwe agụụ ka edee Okwu Ya nime obi ya, ma n'ezie Onyenweanyị naeme ya. Ọtụtụ ndị chègharịrị ọhụụ agbawo àmà na n'oge ha nọ ná mkpà na Onyenweanyị nyere ha otù amaokwu nke akwụkwọnsọ, emesịa ha wee chọta amaokwu ahụ nime Baịbụl. Ma otú ọ dị, dịka oge na ohere ọ bụla dapụtara anyị, anyị aghaghị iji ohere ahụ mụọ Okwu Chineke. Onye agọziriagọzi (maọbụ onye nwere ọñụ) bụ onye ahụ nke "n'iwu JEHOVA; ka ihe-utọ ya-di ọ bu kwa n'iwu ya ka ọ nātughari uche ehihie na abali" (Abù Ọma 1:2).

Akpụkpọiru nke Moses naenwupụ ọcha mgbe o si n'ebe Chineke nọ lọta mgbe ọ natasịrị mbadambá nkume ndị ahụ. Ndị dị ike nke Chineke pụtaraìhè site na mgbe rue na mgbe n'oge agba ochie, ma ọtụtụ mgbe nsọpụrụ Chineke n'obi ọtụtụ mmadụ na adị alaala. N'oge nke Oziọma Onyenweanyị atụwo àtụ̀mààtụ̀ na OnyeKraist **ọ bụla** aghaghị ịbụ ìhè náenwuenwu. Jisọs bụ Ìhè nke ụwa, ezi Ìhè ahụ, "nke nēnye madu ọ bula nke nābia nime uwa ìhè" (Jọn 1:9). Jisọs kwuru ihe banyere ndịnáesoụzọ Ya sị: "Unu onwe-unu bù ìhè nke uwa. Apugh izo obodo nke ewuworo n'elu-ugwu" (Matiu 5:14). Ngọzi niile nke Oziọma naarọpụta amara zuruòkè nye onye ọ bụla nke náachọ; "Ka unu we ghọ di nādigh ita uta, ndi nāghọgh kwa aghughọ, umu Chineke anāpugh ita uta n'etiti ọgbọ gbagọrọ agbagọ, nke nēnwe kwa anya-uhie, ndi anāhu unu n'etiti ha dika ndi nēnye ìhè n'uwa" (Ndi Filipai 2:15).

## Ekpudoghị ya Ihe Mkpudo

Ụmụ Israel tụrụ egwù ịbịaru Moses nso mgbe akpụkpọiru ya naenwupụenwupụ. Ka ndị ahụ wee nweeike ịbịaru nso ịnụ iwu niile nke Chineke, Moses weèrè ihe mkpudo kpuchie iru ya: ma Akwụkwọnsọ naagwa anyị na ihemkpudo ahụ agabigaghị n'ihi ọnwụ nke Moses. Iheọgụgụ nke Testament Ochie ghọrọ ihe ekpudoro ihe; emere ka obi ndị ahụ kpue isi. Jisọs Kraist ewepụwo ihe mkpudo ahụ nye ndị niile nke kwere n'Oziọma ahụ. Mnwapụta nke ụmụmmadụ egosiwo eziokwu a. Ọtụtụ mmadụ agbalịwo ịgụ na ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie na Iwu ahụ tutu azọpụta ha, ma ha chọpụtara na ọ bụ Akwụkwọ emechiriemechi nye ha. Mgbe Jisọs bịara ma weta kwa nzọputa, ụmụmmadụ chọpụtara na Mmụọ Nsọ naemeghe obi ha náeme kwa ka ha ghọta Akwụkwọ Agba Ochie na kwa Agba Ọhụụ. Gịnị mere o ji dị otú a? Jisọs bụ mmezu nke ụdị na onyinyo niile nke Agba Ochie. Mkwà niile nke Agba Ochie wee bụrụ eziokwu niile nke Agba Ọhụụ.

Dịka ìhè nke ọnwa na kpakpando náadịghị mkpà mgbe anyanwụ naamụsiike, otú a ka ìhè nke Iwu ahụ dị kwa, náagbanyeghị ebube na mkpà ọ dị n'oge nke ya, ọ bụ ihe anaadịghị ahụta nkeọma n'okpuru onwunwu ìhè nke Oziọma ahụ. Iwu ahụ bụrị onye òzízí ikuru ụmụmmadụ bịakwute Kraist, ma Jisọs bụ onye Òzízí ukwu ahụ onye náegosi ụzọ nke ndụ ebighịebi. Jisọs naenye amara nke náagba mmadụ ume iso Ya, "uzọ, ezi-okwu, na ndu." Mmadụ niile nwereike ịbụ ndị "nēmeribiga ókè site n'aka onye ahu nke huru ayi n'anya" (Ndi Rom 8:37).

### Inwereonwe

"Kraist mere ka ayi pua n'orù ka ayi we nwe onwe-ayi: ya mere nēguzosinu ike, unu ekwela ka ewere yoke nke bu ibu-orù tuhi unu ọzọ." (Ndi Galetia 5:1). Ịbụorù? É-è, n'ihi na edewo ya sị: "Onye anābu ọnu ka ọ bu, bú onye ọ bula nke nānọgidegh n'ihe edeworo n'akwukwọ iwu ime ha" (Ndi Galetia 3:10). N'oge Agba Ochie ekèrè ụmụmmadụ agbụ site n'iwu ahụ, ma nnapụta na agụsi ha agụụ ike. (Lee Ndi Rom 7:22-24). Oziọma nke Onyenweanyị Jisọs Kraist ewetawo nzọpụta a. Nnapụta site n'agbụ nke okpukpé ndị Juu nke anaakpọ Judaizim, nnapụta site n'agbụ nke mmehie, nnapụta n'egwù nke ọnwụ site n'iwepụ mmehie, emere ka ha niile dị mfé site n'inwereonwe ahụ nke sitere n'aka Jisọs Kraist. Mgbe ụmụmmadụ kweere, rubeisi, hụ kwa onye nzọpụta ahụ n'anya, ngwangwa anaeme ka ha bụrụ ndịnketa nke ngọzi ahụ niile dị ukwu nke Oziọma. Ọ bụghị ihe siriike ịchọpụta na Oziọma ahụ dị mma karịa Iwu ahụ na ememe ya niile.

Ndụ nke OnyeKraist ekwesịghị ịbụ ndụ nke náadịghị omimi. Ememe mkwadobe zuruòkè nime Oziọma nke Onyenweanyị maka ndụ dị omimi nke imemmụọ. Site n'iru nke anaekpudoghị ihe (obi nke anaekpudoghị ihe ) mmadụ ahụ nke náachọsiike naahụ ebube nke Onyenweanyị anaagbanwe kwa ya mee ka ọ dị n'oyiyi nke Onyenweanyị, site n'ebube rue na ebube. Nke a bụ ihe Onyenweanyị naemere ndị nke Ya, naeme ka ha náadị ka Ya karịa.

### Èzoro Oziọma ahụ Èzo?

Náagbanyeghị ịlụsiọlụ ike, ndọgbu onwen'ọlụ náenweghịike ọgwụgwụ nke ezi ndị ozi Chineke nke Oziọma, náagbanyeghị ikwesintụkwasịobi nke Chineke na nzube O zubere ka onye ọ bụla ghara ịlan'iyi, ọ bụghị mmadụ niile ka agaazọpụta. Òlee otú nke a gaesi bụrụ eziokwu? Chineke naenye onye ọ bụla nke náabịa nime ụwa ìhè. Ezi ìhè ahụ abịawo nime ụwa, ma ụmụmmadụ hụrụ ọchịchịrị n'anya kama ìhè ahụ, n'ihi na ọlụ ha jọrọnjọ, ibindụ nime ọchịchịrị na ijupụta n'ọlụ ọjọọ naeme ka ụmụmmadụ bụrụ ndị dị mfé ịdaba n'ọnyà nke ekwensu onye naeme ka obi ndị náekweghịekwe kpueisi, ka ìhè nke Oziọma ahụ dị ebebe ghara ịmụkwasị ha. "Asi kwa na ekpudoworo ozi-ọma ayi ihe, ọ bu n'etiti ndi nāla n'iyi ka ekpudoworo ya."

Alụminiọm bụ otù igwè kachasị n'ịdị ọtụtụ nke anaachọta nime ala, ma otú ọ dị mmadụ aghaghị igwupụta ma nụchaa kwa ya ka o wee rita urù niile nke dị na ya. Otú a ka ọ dị n'ebe Oziọma dị: ọ bụrụ na mmadụ ọ bụla naachọ inwe ya ọ ghaghị ịchọ ya, mgbe ahụ náebi kwa ndụ n'ụ̀kpụ̀rụ̀ ya niile ka o wee nwee ike inweta ngọzi niile nke dị n'Oziọma ahụ. É-è, èzoghị Oziọma ahụ èzo nye onye ọ bụla nke náachọsi ya ike.

### Mmeri

Ndị nke Chineke adịghị ejeijè n'ụzọ dị larị mgbe niile, kama isoro Kraist náejeijè naalụpụta ọtụtụ ngọzi mgbe niile. Onyeozi ahụ kwenyere na ọ naahụ́ ahụhụ, ma otú ọ dị o nwekwara ike mgbe niile iru n'ọgwụgwụ ijè ya ná mkwupụta nke mmeri. Otù nchekwube dị ukwu nke kachasị ọnụahịa náadị n'obi nke ezi OnyeKraist mgbe niile: olileanya nke mbiliten'ọnwụ. Náagbanyeghị ihe ọ bụla nke gaeme arụ ndịa nke pụrụ ịnwụanwụ, ihe niile gaadị mma ná mbiliten'ọnwụ mgbe arụ a nke pụrụ ịnwụanwụ gaenye arụ nke náapụghị ịnwụanwụ ohere. "N'ihi nka ike agwugh ayi n'obi, kama asi na ọ bu ezie na madu elu aru ayi nēre uré, ma anēme ka madu ime ayi di ọhu kwa ubọchi."

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Gịnị mere akwụkwọ nke eji akọwa mmadụ adịghị Onyeozi ahụ mkpà?

2 N'elu gịnị ka edere Iwu iri ahụ?

3 N'elu gịnị ka edere Oziọma ahụ?

4 Gịnị mere Moses ji kpudo ihe mkpudo n'iru ya? Òlee otú esi were iheịmaatụ̀ a kọwaa ngụpụta nke anaagụpụta Iwu nke Moses?

5 N'ụzọ dị añaa ka o ji dị mfé ime ka Akwụkwọ Agba Ochie bụrụ akwụkwọ ghere oghe?

6 Ọ bụrụ na ezoro Oziọma ezo, ọ̀ bụ n'ebe ndị òle nọ ka ezoro ya èzo? N'ihi gịnị?

7 Gịnị gaabụ isiokwu nke mkwusa nke NdịKraist?

8 Òlee ọnọdụ nke mbiliten'ọnwụ nwere n'obi nke OnyeKraist?